**MAKA NDI J. S. 2**

**NKEJIASUSU {PARTS OF SPEECH}**

Nkejiasusu so n'otu n'ime utoasusu e nwere n'Igbo bu nke di iri n'onuogu. L EE HA NA NGALABA HA DI ICHE ICHE.

1) MKPOAHA: Mkpoaha bu nke nwere ngalaba ano .Ha bu: AHA, NNOCHI AHA,ONUOGUGU, na NJUAJUJU
2) NGWAA: Nke a nwere ngalaba isii : Ngwaa kpomkwem, Isingwaa, Nnyemakangwaa, Omekangwaa, Jerondu, Mfinitivu.
3) NJIKO
4) MBUUZO
5) NJAIKE
6) NKWUWA
7) NTIMKPU
8) NKOWAAHA: Nke a nwere ngalaba ano:Ha gunyere: NKOWA, NRUAKA, MKPOKOTA, na NKEONYE
9) MGBAKWUNYE nwekwara ngalaba ano nke ya dika: NGANIIHU, N SONA A ZU, NNONIIME na NNONETITI
10) NSOKWUNYE

NKOWA: Nkejiasusu bu nkerisi a na-ekerisi mkpuruokwu di n'ahiriokwu na nnyocha a na-enyocha ha dika oru ha, udah ha ,onodu ha na nghota ha siri di n'ahiriokwu ebe ha di.

NKOWA: Mkpoaha bu aha ihe o bula na-aza maobu aha e jiri mara ihe maobu njirimara onye maobu ihe o bula .

E nwere ngalaba AHA di iche iche dika: AHAIHE na AHAUCHE

AHAIHE bu aha a na-akpo ihe ndi a na-ahu anya maobu na- emetu aka nke gunyere :AHAAKA, AHAIZUGBE, AHAIGWE, naAHAUKWU. Ebe

AHAUCHE bu aha a na-akpo ihe ndi ahu anaghi ahu anya maobu metu aka mana e ji echiche [uche] amata ihe o bu ma a kpoo ya . Ahauche gunyere : AHAECHERECHE, AHANKOWA, AHAUCHEUDA, AHAOM EE, AHANKWUWA.

**OMUMAATU**:

AHAAKA:[ PROPER NOUN]; Aha n'enweghi ihe ozo a na- akpo maobu na-aza ya karia ya, dika: Aha mmadu, aha obodo, aha ahia, aha uloakwukwo, aha mmiri, aha ubochi, aha arusi, na ndi ozo.

AHAIZUGBE:[ common noun]: Nke a bu aha e nyere otutu ihe bu nke jikotara ha onu,dika: aha anumanu, aha osisi, akwukwo, mmadu,azu na ulo.

AHAIGWE:[COLLECTIVE NOUN]: Nke a bu aha otutu ihe e kpokotara onu ma nye ha aha dika:oba ji, oab akwukwo, oha mmadu, ndi agha, igwe aturu , aju unere, ukwu aziza, otu ogbo, oyoko igodo.

**AHAUCHE [ ABSRACT NONU]**

Nke a bu nke e ji uche amata ma a kpoo ya dika: ikuku, anuri, aghugho, ihunanya, iwe, akonuche, asiri, amamihe na ndi ozo

AHANKOWA [ADJ.NOUN] bu nke na-egosi etu ihe di. Imaatu: okpoo , ogologo, mkpumkpu, ndu, obere.

AHAUCHE UDA:[Ideophone] bu aha e si n'uda okwu dara enweta, dika: gidigidi, gbawam, gbam gbam, piatapiata.

AHAOMEE[NOUN INSTRUMENT]:A na-enweta nke a site n'igbakwunye "O" maobu "O" na ngwaa ma gbatia udaume ipkeazu di na ngwaa ahu ka o gbaa abuo..

**Imaatu: orii, oguu, odee, ogbaa, osii, otaa, onuu .**

AHANKWUWA[ADV.NOUN]: Nke a buna-esi na nkwuwa enweta.Dika:nwayoo, osooso, oku oku ,ngwa ngwa, nso nso.